**OGE ERUGO** **KEY $A^b$ BY JUDE NNAM**

**CHORUS:**

(**Sop**): Oge erugo ee, oge'rugo ee, Umunna zukotanu n'iru altar; Oge'rugo k'anyi sekpuere Osebuluwa, Chukwu Onye n'eny'udo!

(**Alto**): Oge'rugo ee, oge'rugo ee, Umunnaa zukotanu n'iru altar; Oge'rugo ee, sekpuere Onye ker'uwa, Chukwu, Onye n'eny'udo!

(**Tenor**): Oge'rugo, oge'rugo; Umunnaa zukotaaa, O---ge'rugo mgb'anyi ge je sekpuere Osebuluwa, Chukwu, Onye n'eny'udo!

(**Bass**): Oge'rugo nu, oge'rugo, Umunna zukota n'iru altar; Oge'rugo k'anyi sekpuere Osebuluwa, Chukwu, Onye n'eny'udo!

**VERSES**: **For all verses, Bass and tenor sing as follows:**

(**Bass**): Bianu, bianu, bi-anu, bia, Bianu doo kele nu Chukwu; Chineke bu Chukwu, O bu Ya bu Okaka, Bianu kpoo isi ala nye Ya.

(**Tenor**): Bia nu k'anyi too be Ya, Bianu umu Chineke, Bianu k'anyi tobe Ya, kpoo isi ala nye Ya.

1. (**Sop**): Bianu sekpuere Chukwu, Bianu kpoo isi ala nye Ya (*wait for alto*)- Bianu kpoo isi ala nye Ya.
   (**alto**): Bianu sekpuere Chukwu u; Bianu kpoo isi ala nye Ya, **Chineke bu Onye bu Isi**, Bianu kpoo isi ala nye Ya.
2. (**sop**): Bianu k'anyi too Chukwu, Bianu wer'ukwe too Ya; (*wait for alto*)- Bianu kpoo isi ala nye Ya.
   (**alto**): Bianu k'anyi too Chukwuu u, Bianu wer'ukwe too Ya; **Chineke bu Ya bu Eze**, bianu kpoo isi ala nye Ya.
3. (**sop**): Bianu ka'nyi kele Chukwu maka ihe nile O na-emere anyi (*wait for alto*)- Bianu kpoo isi ala nye Ya.
   (**alto**): Bianu ka'nyi kelee Chukwuu u, maka ihe nile O n'emer'anyi; **Chineke Kwesiri ekele**, Bianu kpoo isi ala nye Ya.
4. (**sop**): Bianu k'anyi yoo Ya mgbaghara njo, mee ebere maka njo anyi; (*wait for alto*) Bianu kpoo isi ala nye Ya.
   (**alto**): Bianu k'anyi yoo Ya mgbaghara njo, mee ebere maka njo anyi,; **Chineke Bu Nna Obi ebere**; Bianu kpoo isi ala nye Ya.
5. (**sop**): Bianu k'anyi zukota koo ro Ya mkpa'nyi; Chukwu di'ebube n'az'ekpere (*wait for alto*); Bianu kpoo isi ala nye Ya.
   (**alto**): Bianu k'anyi zukota kooro Ya mkpa'nyi; Chukwu di'ebube n'az'ekpere, **Chineke mazuru mkpa gi nile**; Bianu kpoo isi ala nye Ya.